# ÚCHÈ

## Ụ́MỤ̀ÁKWỤ́KWỌ́

## (ABỤ)

**Nke ndị juniọ Sekọndịrị nke abụọ dere.**




NDỊ NDEZI :

Ibiam Ude

Sunday Okoli



**Nkwado mbipụta nke a si n'aka ngalaba asụsụ (Language Dept. Hillrange Secondary School, Enugu).**

# UCHE ỤMỤAKWỤKWỌ

*ABỤ*

NDỊ NDEZI:
Ibiam Ude
Sunday Okoli

Nkwado mbipụta nke a si n'aka Hillrange Publishers.

UCHE ỤMỤAKWỤKWỌ.

Mbipụta nke mbụ :2023

Gekwa ntị:
O nweghị onye , ndị maọbụ Ụlọọrụ ọbụla nwere ike ịkọpịrị n’ụdị ọbụla maọbụ bipụta ihe ọbụla dị n’ime akwụkwọ a na-ebughi ụzọ nata ndị hụrụ maka akwụkwọ a ikike zuru oke.

Ndị bipụtara akwụkwọ abụ a bụ ụlọ ọrụ:
HILLRANGE PUBLISHERS
Na Enugu, n’obodo Nigeria.

**Nhụnyere**

Maka ndị Igbo na-eto eto na ndị asụsụ na omenaala Igbo na-amasi.

## Ekele

Sunday Okoli

Nnaemeka Henry Eze

Emeka Obioji

Johnson Crystal Kalụ

Maka mbọ unu gbara ka akwụkwọ a pụta ihe, Chukwu Okike Abiama goziwere m unu.

NDỊNAYA

- Ụlọ akwụkwọ
- Onye mere?
- Nwa nnụnụ
- Mmiri
- Ndị nna
- Agha
- Naịjịrịa
- Chineke dị ebube
- Iyi o!
- Nwa
- Nna m
- Afrịka
- Enyi m
- Nne m
- Ụzọ mmiri
- Nri
- Onye ga-abụ ọyị m?
- Mkpọtụ
- Ikuku
- Ndụ
- Chineke
- Anyị na Chukwu
- Naịjirịa
- Nna
- Ehi Igbo

**ỤLỌ AKWỤKWỌ** (Ude Chidiebere Giles)

Ụlọ akwụkwọ

Ụlọ dị mma

Mgbe m chetere ụlọ akwụkwọ

Ihe ga-agba m n'uche

E jighị  m ụlọ akwụkwọ egwuri egwu

Maka na ọ bụ n'ụlọ akwụkwọ ka ndụ mmadụ niile dị

Ọ bụrụ na ị chọrọ ịba uru echi

Gaa ụlọ akwụkwọ taa.

**ONYE MERE?** (Martinez)

Onye mere nwa na-ebe akwa?

ọ bụ agụụ?

Ka ọbụ agụ?

Weta nke dị nso nye nwata.

**NWA NNỤNỤ** (Ikechukwu Onyedikachi)

Nwa nnụnụ nwa nnụnụ nta

Biko bịa tụpụrụ m ihe a

O ji m n’olu, o ji m n’ire

Biko nwa nnụnụ nta bịa tụpụrụ m ihe a

**MMIRI** (Eneaji Emenike)

Mmiri bụ ndụ

Mmiri bụ ihe anyị ji asa ahụ

Mmiri bụ ihe anyi ji asụ akwa

Mmiri bụ ihe anyị ji asacha ihe

Mmiri amaka

**NDỊ NNA** (Onuigbo Chibueze)

Ndị nna bụ di ji ụlọ

Isi ezinaụlọ

Ndị nchekwa ụlọ

Ndị nna bụ Chukwu nta nwunye na nwa nwere n'ụwa.

Nna dị omimi.

**AGHA** (Ikechukwu Emmanuel Udichi)

Anyị bụ ndị agha

Ndị agha nke obe Kristi

Naanị Kristi ga-enwe mmeri na ndụ anyị.

**NAỊJIRỊA** (Kenechukwu Chukura)

Naịjirịa , oké obodo

Ọ gịnị na-eme?

Ebe niile aghara aghara

Ndị nna na-ebe, ndị nne na-ebe

Ụmụaka na-ebe, arịrị ebe niile

Ụtụtụ, ehihie, abalị,

Ọnwụ ebe niile

Otu nkeji gaa, a sị gị na mmadụ alaa mmụọ

Fịa!

Ihe emebiwo.

**CHINEKE DỊ EBUBE** (Okonkwo Daniel)

Chineke dị ebube

Ọ kwa ya kpụrụ mmadụ na mmụọ

Ọ kwa ya kere eluigwe na ụwa

Chineke dị ebube

Ọ kwa ya ji igodo ndụ na nke ọnwụ

Lee ka ebube ya si egosi na ebe niile

O nwere ike karịrị Chi m n'ịdị ebube?

**IYI O! (**Nneji Chisara)

Onye na-agba egwu iyi o?

Ụmụ Igbo na-agba egwu iyi o

Chukwuemeka na-agba egwu iyi o

Gbafuo ya, iyi o

Odumegwu gbafuo ya.

Onye na- esi nri iyi o?

Ọ bụ nne na-esi nri iyi o

ụmụnne na-eche nri iyi o

lee ka nne si eke nri iyi o

onye richaa, o tie iyi oo

**NWA** (Ozichukwu Ogwuegbu)

Ọ mụrụ nwa, zụba nwa o

Nwa a zụrụ azụ bụ ngọzi

Nwa azụghị azụ bụ ọgbaghara

Nwa bụ odogwu

**NNA M** (Ezinwa Munachi Franklyn)

Nna m bụ onye ike

Dike, ọgaranya n’udo

Ọ bụghị ogbenye maka na Chukwu gọziri ya nke ọma

Nna m maara akwụkwọ dịka Prọfesọ.

Nna m bụ onye otu nke Jesu Kristi

Ọ na-atụ egwu Chineke,

Ọ naghị atụ egwu mmadụ

Ọgaranya na-ejere ogbenye ozi ka ọ bụ.

**MMIRI** (Soludo Chiziterem)

Mmiri bụ ndụ

Mmiri bara ọtụtụ uru

E ji mmiri asa efere

E ji mmiri asụ akwa

Anyị na- aṅụ mmiri

Ihe akọrọ n’ubi chọkwara mmiri

Mmiri bụ  ndụ azụ

Ewepụ mmiri ụgani ga- adị

Mmiri bụ ihe ọma

**AGHA** (Izu Chidum Henry)

Agha na-egbu mmadụ

Obodo abụọ na-alụ agha

Mba na-alụ agha

Agha na-eme ihe mara mma ọ jọọ njọ

Agha siri ike

Obodo dị ike adịghị anwụ n’agha

Obodo di ike na-emeri n’agha

Mana emere aka ekpe, emere aka nri,

Agha na-ala ndụ n'efu ebe ọ dị ukwuu.

**AFRỊKA**(Nwobu Chidubem)

Ala Afrịka,

Ala ọma,

Ala dị omimi

Ala ụmụ mmụọ.

Afrịka bụ asa mara mma ọlụlụ

Mana o nweghị di na-abịara ya

Maka gịnị?

Enweghị ndidi na agwa ọjọọ.

**NNA M**(Chibuzor Nduanya Micheal)

Ekele kere m nna m

Nwoke ọma maara obi ezinaụlọ ya

Nna m siri ike

Ọ bụ onye ịhụnanya zuru ahụ

Nna m bụ onye ndozi na nkwado

Ahụrụ m nna m n'anya ebe ọ dị ukwuu

Maka na ọ hụrụ anyị n'anya ebe ọdị ukwuu

Nna m bụ dike.

**ENYI** (Aneke Shedrach Chile)

Enyi bụ otu n'ime ndị mmadụ onye ọbụla ga-enweriịrị n'ụwa a,

Mmadụ nwere Chukwu, Nne, Nna, Ụmụnne

Na ndị niile nọ n'ezinaụlọ

Enyi so ha n'azụ.

Ya mere nghọta enyi adịghị mfe

Mmadụ nwere ike nweta enyi dị njọ, maọbụ nke dị mma

Enyi ọma bu ndụ nyere mmadụ

Ajọ enyi bụ ezigbo ntaramaahụhụ

Ya mere onye dere akwụkwọ dere we sị,

“Gosi m enyi gị, ka gwa gị onye ị bụ”

Biko anya ruo gị ala oge ọbụla ị chọrọ ime enyi.

**NNE M** (Nwoji Sean)

Nne m
Nneukwu
Nnukwu nne m
Nne mara mma
Nne m Nne m
Oyooyo nne m
Ọ kwa gị kuru m mgbe m nọ na nwata
Nne m, I nyere m nri
Chukwu mere m mma
Nye m onye dịka gị, ka ị bụrụ nne m

Olisa daalụ.

**NNE M** (ỌNỤỌHA GIFT)

Nne m bụ Nneọma
Nne m bụ Nnebụihe
Nne m bụ oyooyo di ya.

Ọ na-akụziri m omume ọma,
Ọ na-enye m ezigbo nri
Nne m hụrụ mụ na ụmụnne m n'anya nke ukwuu
Nne m nwere ezigbo ọrụ aka
Nne m na-ekpere m ekpere oge niile
Nne m na-akụziri m ka esi esi nri
Nne m mara mma nke ukwuu
Nne m bụ ezigbo nwa Chukwu
Nne m bụ nwaanyị nwere ezigbo obi.

**MMIRI** (OKOLI CHUKWUBUIKEM)

Mmiri ị bụ nwanne ndụ
Ị nọghị ya, Ndụ akpọọ nkụ
E jide gị adị ọcha
Ejighị gị, Ndụ amịkpọọ

Mmiri ị bụ enyi m

Maka na eji m gị

Enwee ọṅụ mgbe niile

Ma werekwa gị adị ọcha kwamgbe

**ỤZỌ MMIRI** (OKOLI CHUKWUBUIKEM)

E jechaa ya taa

Echi a chọrọkwa ya gawa

Ọ naghị echi echi

Maka na mmiri anaghị agwụ agwụ

Onye kute, ibe ya ekute

Otú okenye siri mara ya

Ka nwata siri marakwa ya

Ụzọ mmiri mgbe niile mmadụ mmadụ

E buru ite ọkpọọ gbadaa

A gbagotewe, e buru ite mmiri.

Ụzọ mmiri oge niile, mmadụ mmadụ.

**NRI** (UGOH KAETO BLAISE)

Nri dị mma

Nri atọka

E wezụga ndụ, kedu ihe tọkariri nri n'ụtọ?
O nweghị ihe ọzọ mmadụ na-eri ma ọ bụghị nri
Nri bụ ihe mmadụ na-eri
Ka ọ dịrị ndụ
Onye sịrị na ya achọghị nri,
bụ onye iberibe,
Onye okwu asị, na onye chọrọ ọnwụ.
Ụmụnne m, nri amakanụ.
Gaa rie nri

**NNE M** (OKAFOR ANGELO)

Ọ na-akasị m obi n'ọnọdụ m niile
O guzoro m n'akụkụ niile
Kedụ ka m ga-esi chefuo àjà niile na ntabianya?
O nwere nnukwu ihe mgbu o nyere na ndụ ya,
Ka m were ike ịdị ndụ.
Agụụ gụọ ya, o nye m nri si m rie
Kedụ ka m ga-esi kwụọ gị ụgwọ maka ihe a niile?

**ONYE GA- ABỤ ỌYỊ M**?(NGWU ROBERT)

Ụwa mee

Kedụ onye m ga- akọrọ?

Ụwa m bụ ụwa otu onye,

Maka na enyi anọghị n'ime ya.

Kedụ onye ga- abụ ọyị m?

Kedụ onye ga- abụ ọyị m?

Onye ga- abụ ọyị m?

Ahụla m onye ọ ga- abụ

Ọ gị ga-abụ ọyị m,

Biko ajụla m,

Maka na ịjụ m, ụwa m abụrụ ụwa otuonye.

**MKPỌTỤ**(OKEREKE JOSHUA)

Ọtụtụ mmadụ achọghị mkpọtụ

Mkpọtụ bụ nsogbu maka ndị mmadụ

O nweghị mmadụ chọrọ mkpọtụ

Mana a sị m kwuo,

Mkpọtụ dị mma,

Maka na mkpọtụ na-eme ka ebe ọbụla na-ewuewu

Ịgbachi nkịtị anaghị adị mma mgbe niile.

**NNA M**(UZUEGBU MUNACHI)

Nna,

Nna dị omimi

Nna dị ụtọ

Ọ kwa mbọ ya na-enye anyị nri

N'ụbọchị niile ị na-enye m ihe m chọrọ

Nna m bụ chukwu nta m

Nna m bụ odogwu.

**IKUKU**( ENEH PROMISE)

Onye na-ahụ ikuku?

Ikukuikuku

Ọ metụ ahụ, ọ jụọ ahụ oyi

Ikukuikuku

O bulie aja, ọ wụọ gị

Ikukuuu

O metụ n'osisi mkpụrụ ya adaa

Ikukuu

Ọ gasịa mmiri a gaa

**MMIRI** (STEPHEN SUNNY JOSEPH)

Mmiri na-ewere ike na-ahụ mmadụ
Mmiri dị oké ọnụ
Ọ bụ ya mere Chukwu anyị ji kee ya
Mmiri abụghị ihe efu
Oké chi dị na mmiri
Mmiri Igbo niile nwere chi dị icheiche
Mmiri kwesiri nsọpụrụ
Onye saa maọbụ ṅụọ mmiri, ahụ ya adị mma
Ọ dị mma na mmadụ ga na- aṅụ mmiri
Maka na mmiri bụ chi nke ya.

**NNE M**(CHIDUBEM NONYELEM)

Nne m,
Enyi m,
Ezigbo m,
N'ime ndụ m niile, ị nọ m nso mgbe niile,
Ọnụ ọchị gị na-eduzi m n'ụzọ m niiile
Ị bụ anwụ na- enwu n'ụbọchị m.

**CHINEKE**(DINOBICHUKWU NJOKU)

Chukwu dị mma
Chineke dị ike
Chineke na-eme ebere
Ahụrụ m Chineke n'anya
Ana m efe Chineke
Ana m eto Chineke.

**CHINEKE**(ODOEMENAM CHINEDU)

Chineke abụghị mmadụ
Chineke siri ike
Ọ bụ Chineke nyere anyị ndụ
O nweghị onye hụtụrụ Chineke anya
Chineke bụ mmụọ
Chukwu kere mmadụ n’oyiyi ya
ma kpọọ ya mmadụ,
Mana o nweghị onye mere Chineke,Chineke
Chineke karịsịrị.

Ọ bụ mmụọ ka mmụọ.

**NNA M** (EZEUDE MUNACHI DAVIS)

Nna m
Nna di ụtọ
Nna bụ ihe
Nna akọla m
Onye na-enye m ji n'aka
Onye na-eme m obi ụtọ mgbe niile?
Nna m bụ nna kacha nna niile.

**NDỤ** (EKWUEME CHIERIKA)

Ndụ dị egwu
Ndụ dị omimi
Ndụ dị n'elu
Ndụ dị n'ala
Ndụ bụ nke anyị niile
Ndụ bụ nke Chukwu
Ndụ dịrị nwoke, dịrị nwaanyị
Ndụ amaka ma  I nwee ahụ ike
Ma I nwee ego,
ma hụkwa mmadụ ibe gị n'anya.
Ndụ bụ nwoke,
Ndụ bụ nwaanyị,
Ndụ dị ụtọ

Ndụ dị ụkọ.

**ANYỊ NA CHUKWU** (ONYEMA ELVIS)

N'ezi a,

Chukwu kere mmadụ,

Kee ihe niile nọ n'ụwa a,

Nwoke, nwaanyị, osisi na ikuku.

Ikuku bụ ndụ nwoke na nwaanyị

Ndụ kacha mma karịa akụnaụba

Maka na o were ndụ, bara ụba na ihe niile.

Ndụ anyị nwere bụ naanị otu ka ọ dị,

Ya mere anyị ga agbado anya n'ihe anyị na-eme

Chineke nyere anyị ndụ

N' ihi na ọ chọrọ ka anyị rụọrọ ya ọrụ.

Rụọ ọrụ nke gị taa.

**ENWE** (ANEKE DIVINE)

Nwa enwe ị ma n'elu na eso m gị

Nwa enwe ị ma n'ala na eso m gị

Nwa enwe i nye m ọyọ,

Nye m mgbịrịgba ka m gbawunwa m

N'aka mgbe ọ ga - ebe o lelewe

Nwa enwe doo nwaenwe doo.

**MMIRI** (ENEH PROMISE)

Mmiri na– enye ndụ

Mmiri na– enye ike

Mmiri na-asachapụ

Mmiri na-enye vịtamin

Mmiri anaghị anọ otu ebe

Mmiri enweghị ụkwụ, mana ọ na-agba ọsọ

Mmiri na-enye mmadụ ike

Mmiri na- emeta ahụ mma.

**NDỤ** (OKO UCHECHUKWU)

Ndụ jupụtara n'ọṅụ mana otu ụbọchị ga-akwụsị

Ndụ jupụtara na nrọ ugbu a na otu ụbọchị ga-egwepịa ya

Ọ na-enye gị nnukwu mkpu ma ọ bụrụ na nlekọta adịghị

Ewere ya ga-abụ mkpu ikpeazụ

Ndụ jupụtara na obi ụtọ na otu ụbọchị ga-ejupụta na mwute na iru ụjụ

Ebe afọ ojuju na achọtakwa ụzọ.

Ndị jupụtara na ohere ma nwale na ọ bụrụ na mmadụ efuo ya jupụtara na mgbu

Ndụ bụ naanị ebe nkwụsị

Nkwụsịtụ n'ihe gaje ịbụ

Ebe izuike n'akụkụ okporoụzọ

Ka ụtọ ebighị ebi ma ọ bụ ihe mgbu ebighị ebi

Anyị niile bụ n'obi ịmụta ihe.... ma ọ dịghị mgbe pụtara na-anọ

Ebe anyị na-aga bụ ebe

Dị ukwuu karịa ka anyị maara

Maka ụfọdụ njem ahụ ji ngwángwa
Maka ụfọdụ njem ahụ nwayọọnwayọọ
Ndụ anaghị ejide n'aka
Ọ na-adị ka ọ na-agbanwe
Mgbe niile ka mmiri ozuzo
Ị gaghị enwe ike ijide n'aka na onye ọbụla agaghị ahapụ akụkụ gị
Ya mere na – ebi ndụ zuru okè ka enweghị echi
Ma na- adị njikere mgbe niile ịlụso mwute na-abụghị anya ya ọgụ.
Echela echiche ugboro abụọ
Tupu gị amụọ ọnụ ọchị n'ihu  mmadụ
Na ndụ gị ga- ejupụta na Ọmarịcha ụbọchị na obi ụtọ
Ndụ ọ bụ ụtọ na afo ojuju bụ ihe m na- arịọ gị enyi m
Achọrọ m gị ndụ na-enweghị ụta ruo ọgwụgwụ.

**NAỊJIRỊA** (CHUKWU CHIZITEREM GABRIEL)

Obodo anyị bụ Naịjirịa
Obodo ọma Chukwu gọziri nke ọma
We nye anyị nri, ụlọọgwụ, ahịa, ụlọakwụkwọ
ma ihe ndị ọzọ eji ebi ndụ
Mana ndị gọọmentị anyị na-aghasa obodo anyị ebe ọ dị ukwuu
Ndị ọchịchị, ihere unu na-eme m
Mana ka ọ dịba
Mụ na ndị otu m ga- edozi obodo a.

**NNA** (DANIEL ELUE)

Nna m bụ enyi m
Nna m bụ ezigbo mmadụ
Nna dị ụtọ
Nna dị ụkọ
Onye na- ekpuchi m ma ọbụghị nna?
Onye na-enye nke m rịọrọ ma ọbụghị nna?
Ihe niile dị n'ụwa a dịcha ɑbụọ abụọ,
Mana nna adịghị abụọ.

**NNE M** (GEORGE CHUKWUANI)

Nne m
Ezinne m
Nne ji akpanganga
Nne m ji eme oyooyo
Ịhụnanya nne bụ ịhụnanyadị omimi
Ekele keleere m Olisa,
Onye lechara m anya,
Wee jiri ezinne wee gọzie m.

**EHI IGBO** ( KELENNASIDI NZEKWE)

Pokopoko ka ọ na-eze
N'anya Chukwu ma n’anya mmadụ
Ihe dị mma na anya gbara
Ịhụkwara anụ na mma

Ehi Igbo bụ ọkaibe

Leenụ ụyọkọtọ ara
ya,
Na akpakwuru anụ dị ya n'ahụ
Ite afọ ya na apata ụkwụ ya
Ihe ndịa niile bụcha anụanụ
Ehi Igbo ka ọ bụ.

**CHINEKE** (OKEMDINACHI ONONYE)

Chineke bụ odogwu
Chineke bụ ihe niile
Chineke bụ nna m
Chineke bụ mmiri
Mmiri bụ ndụ.

Daalụ!

N’oge a ọmụmụ na agụmagụ asụsụ Igbo baiziri na-adịwanye oke mkpa, Mazi Ibiam bụ onye nkuzi ụmụaka a emela ihe ịtụnanya site n’ime ka ụmụaka a were asụsụ Igbo depụta ihe di iche iche bụ ebumnuche ha. Anaghi eji ọkụ Mpanaka enyo ụdara chara acha. Akwa tiwaa aki...

**Nnaemeka Henry Eze**
**(Onye isi ngalaba asụsụ na Hillrange Secondary School)**

Uche ụmụ akwụkwọ m bụ mkpokọta abụ dị iche iche nke sitere n’aka ụmụ akwụkwọ. Ha gbasapụrụ aka nakwa obi wee depụta abụ ndịa. N’ezie, ọtụtụ n’ime abụ ndịa dị omimi, ebe ọtụtụ bụ ndị na-akụzi ihe dị ukwuu. E nwere abụ nkọwa, nkọwasị, nkọwami, ndụmọdụ, dgz n’ime abụ ndịa.
N’ezie, akwawa ngwere etu o siri daa elu, nsị egbe ga-agwụsị. Ya ka m ji asị na ụmụaka a mere ihe dịka okenye. Abụ ndịa bụ ọpụrụ iche.

**Sunday Ifeanyi Okoli**

N’ezie, a na-esi n’ije ọkpa ama nwatakịrị ga-amatara nna ya ehi. Abụ niile e dere n’akwụkwọ a nakwa ndị dere ha na-egosi na onye kuliri ọtọ nwere ebe ọ na-eje. Abụ niile ndị a dabara adaba. Obi dị m ụtọ ma bụrụkwa ihe ọṅụ nyere m na unu mere nke a, nke dị n’iru ka.

**Maazi Ibiam Ude Ufiem**
**(Onye nkụzi Igbo na Ụlọakwụkwọ Hillrange Secondary School)**